

ENYO
ENYO: Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo
Vọl. 5, Nọ.1, 2024
ISSN: 2756-5874

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo
Vọl 5, Nọ.1, 2024

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Ndị mbipụta: Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Ụlọ ọrụ mbipụta: Besing Books Multipurpose Publications
Website : Myrasoft Systems Ltd. www.myrasoft.com.ng .08062926794

ISSN: 2756-5874
Website: www.enyojonal.com.ng

Ndị mbipụta: Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo
Vọl 5, Nọ1, 2024

Ozi si n'aka ndị nhazi
*"Enyo Jọnal"* dịka aha ya siri dị bụ nchịkọta edemede ndị e ji agba n'anwụ, asụsụ, omenala na nsirihundụ ndị Igbo. Ọ bụ ndị na-agba mbọ ka asụsụ na omenala Igbo ghara ịnwụ na-esi na jọnal a bụ *"enyo"* edepụta edemede ha n'asụsụ Igbo kpọmkwem iji kwalite asụsụ na ụzọ ndụ ndị Igbo. Jọnal a na-anabata nchọcha ọbụla e demara edema, hazie nke ọma ma bụrụ ọkpọkọpị nke odee.
Odee ọbụla nwere mmasị nwere ike ime nchọcha n'isiokwu ọbụla metụtara asụsụ, omenala, agụmagụ, akụkọala, nsirihundụ, ekpemekpe, ọchịchị obodo, sayensị asụsụ, na ihe ọbụla metụtara ndụ mmadụ.
Ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji ede edemede na jọnal a maka inye aka welitekwue ọnụọgụ edemede e ji asụsụ Igbo dee.
Ziga edemede gị na ọwa ududo: enyojonal@gmail.com

maọbụ

theclaudemmadu@yahoo.com , tn.udemmadu@unizik.edu.ng
**ic.isidienu@unizik.edu.ng**

**maọbụ ị kpọọ n'ekwentị 08033027892, 07038296805**

# NDỊ RỤRỤ ỌRỤ ỊHAZI JỌNAL A:

**Onyeisi Nhazi (Chiifu Editọ):**
Prọf. Thecla Ngọzị Udemmadụ

**Ndị Nhazi (Editọ)**
Dkt. Ifeyinwa Cordelia Isidịenu
Dkt. Florence Uju Ibeh

**Ndị Nyere Aka na Nhazi (Asọchiet Editọ)**
Rev. Fada. Dkt. Patrick Ikenna Umezi
Dkt. Ann Chinaza Onyekelu
Dkt. Anthonia Ephraim-Chukwu
Dkt. Onyinye Constance Amamgbo
Dkt. Ethel Odinakachi Orji

## Ndị Ndụmọdụ Pụrụ Iche

**Uchenna Onuzulike, Ph.D.**
**Associate Professor,**
**Department of Communications,**
**Bowie State University,**
**Maryland, United States**

**Dr. Jude Onyima**
**Westminster Business School,**
**University of Westminster, London**

**Prof. Cecilia Eme**
**Department of Linguistics,**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**

**Prof. Boniface Mbah**
**Department of Linguistics, Igbo and other Nigeria Languages,**
**University of Nigeria, Nsukka**

**Prof. Iwu Ikwubuzo**
**Department of Igbo, African and Asian Studies,**
**University of Lagos**

**Jude Chinweuba Asike, Ph.D.**
**Associate Professor,**
**Department of Philosophy,**
**University of Port Harcourt**

ENYO Vol.5 No.1 December 2024.

# Ngaramara na Nchegharị dịka Ndịniisiokwu n'Ejije ndị A Hoọrọ: Nzipụta na Ihe Mmụta

**Juliet Ifunanya Okeyika, PhD**
**Ngalaba Igbo, Afrika na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka**
**ji.okeyika@unizik.edu.ng**
**na**
**Chinelo .C. Anachunam**
**Ngalaba Igbo, Afrika na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka**
**cc.anachunam@unizik.edu.ng**

**Ụmịedemede**
Agụmagụ bụ enyo e ji ahụ ndụ. Ọna-agba ebimndụ mmadụ ma nke ọma ma nke ọjọọ n'anwụ. Odee agụmagụ na-agbali izipụtara ọhanaeze ihe na-eme n'ụwa a nọ n'ime ya ọkachasi ihe gbasara omume dị iche iche mmadụ na-ezipụta.Ọ na-eme nke a site na ndịniisiokwu dị iche iche gbara elu n'agụmagụ o dere. E nwebeghị nchọcha e merela n'oge gara aga banyere isiokwu nchọcha a e ji akwụkwọ ejije ndị a họọrọ maka nchọcha a wee mee. Ebumnobi nchọcha a bụ ịjị akwụkwọ ejije anọ ndị a họọrọ gosi etu odee ha siri zipụta ndịniisiokwu ngaramara na nchegharị. Ọzọ bụịmata etu odee ejije ndị a siri zipụta agwa ndị hụtara onwe ha n'ọnọdụ ngaramara na nchegharị. Ọ ga-elebakwa anyan'ihe mmụta ọhaneze ga-esi n'ọnọdụ dị etu a wee mụta. Akwụkwọ ejije ndịa họọrọ bụ*Chịadịkobi, Onye Loro Mkpụrụ Ụdara,Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* na*Nke m Ji Ka*. Nchọcha nkọwa a bụ nke a gbasoro atụtụ nhụrụnanya mee. Atụtụ nhụrụnanya a ka a kpọrọ *empiricism theory*n'asụsụ Bekee. Ọ bụ atụtụ John Locke, nke na-akọwa na amamihe, sitere n'ihe mere mmadụ nke kuziiri ya ihe maọbụ ihe mmadụ hụlara na ndụ. A chọpụtara site n'akwụkwọ ejije ndị a,na odee ndị a zipụtara ngaramara dịka ọnọdụ na-ewetara mmadụ nchegharị. Ọzọ bụna odee ejije ndị a gosiri na ngaramara na-esi n'ihe adịghị mma nke mmadụ mere n'oge gara aga nke ọ chọghị ka onye ọzọ mee n'ihi na uru adịghị na ya. Ihe dị etu a ka mmadụ dị etu ahụ na-ezipụtara ọhaneze site na nchegharị ya ka ha kpachara anya ha. Nchọcha a ga-abara ma nwoke ma nwaanyị uru n'ihi na ha ga-amụta ọtụtụ ihe na-ebute ngaramara na ọnọdụ nchegharị ma gbaara ha ọsọ ka ihe mere agwa ndị nke a metụtara n'ejije ndị e jiri mee nchọcha a ghara ime ha.

**Ọkpụrụkpụ okwu; Agụmagụ, ejije, atụtụ nhụrụnanya, ngaramara, nchegharị, ndịniisiokwu**

## Ndubanye

Ejije so n'otu nkenụụdị agụmagụ e nwere. Ọ dị ọtụtụ ihe nkuzi a na-esi na ya amụta. Ihe nkuzi ndị ahụ bụ ihe gbasara ndụ a na-ebi n'ụwa a. Ọ bụ ihe dị etu a mere Ụzọchukwu (2007: 25) jiri mee ka a mata na "ọdịnaya ọtụtụ ejije Igbo na-egosipụtarịrị ihe mmụta gbasara ụwa". Ihe nke a gosiri bụ na e wepu njije ma ọ bụ nṅomi dị ka otu n'ime njirimara ejije na njirimara ya ọzọ bụ na ọ na-egosipụta ihe mmụta gbasara ụwa nke nwere ike ịpụta n'isiokwu ma ọ bụ na ndịnisiokwu odee.

Ngaramara nke ndị Bekee kpọrọ *regret* na nchegharị nke ha kpọrọ *repentance* so n'ọnọdụmmadụ dị ndụ nwere ike ịhụta onwe ya na ya. *Chiadikobi, Onye Loro Mkpụrụ Ụdara, Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* na*Nke m Ji Ka* bụ akwụkwọ ejije a họọrọ iji wee zipụta na ọ bụ ihe na-eme maọbụ ihe mere na ndụ mmadụ, na-ewetara ya ngaramara na nchegharị. Ụfọdụ n'ime ejije ndị a họọrọ bụ ndị gosiri na aghọtaghị ihe na mbụ na-eweta ngaramara na nchegharị n'ikpeazụ, ebe ndị ọzọ gosiri na ọdachị nke sitere n'omume wetara ihe nke atụbaghị anya, na-ewetakwa ngaramara na nchegharị. Ihe nke a na-egosi bụ na ụzọ ihe abụọ a (ngaramara na nchegharị) na-agakọ na ndụ mmadụ dị ka ejije ndị a siri zipụta.

Odee ejije ndị a mere ka a mata na ngaramara dị ka a hụrụ n'ejije ndị a, na-abịa mgbe o doro omekome anya na uru adịghị n'ihe ọ na-eme maọbụ n'ihe o mere. Eleghị anya ọ bụrụ na ihe o chere ga-emere ya, abụghịzị ihe na-emere ya. Oge dị etu ahụ, ọ dị ya ka si tụgharịa elekere ka ọ malite ụwa ya n'isi ghara imekwa ihe o mere na mbụ. N'oge a, e nweghị ihe a ga-emeta n'ihi na ikekwa o teela aka mgbe ihe ahụ buteere onye dị etu ahụ ngaramara mere. Ọ bụ ihe dị etu a na-eweta nchegharị. Nchegharị anaghị abata ma ọ bụrụ na e nweghị ngaramara n'ọnọdụ ọbụla. Oge ụfọdụ, nchegharị nwere ike ịdị n'ụdị onye na-echegharị ịrịọ ndị o mejọrọ ma ọ bụ o nwekwara ike ọ bụrụ ikpebi n'onwe ya na ya agaghịzi echigha n'ihe o mere nke wetaara ya ngaramara.

Ọ bụ ezie na e nwere ụdị agụmagụ abụọ; agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede. Isiokwu nchọcha a gbadoro ụkwụ n'agụmagụ ederede Igbo. Site na nke a ka e were naanị ejije ederede iji mee ntụcha banyere isiokwu nchọcha a site n'iji atụtụ nhụrụnanya. A ga-esi na ndịniisiokwu ndị a wee zipụta ihe mmụta ndị odee ejije ndị a chọrọ ka e si n'ejije ha mata.

**Ntule Nkọwa**

E nwere mkpụrọokwu a ga-enye nkenke nkọwa gbasara ha n'ihi na ha metụtara isiokwu nchọcha a. Mkpụrụokwu ndị ahụ bụ; ngaramara, nchegharị na ejije.

**Ngaramara:**

Ngaramara bụ ọnọdụ mmadụ na-ahụta onwe ya na ya oge ihe ọzọ mere na ndụ ya kama ihe nke ọ tụrụ anya na ọ ga-emere ya. O doro anya na ihe ọ bụla na-eweta ngaramara bụ ihe mechara eme nke ọ dị ka sị wezuga ya ka ọ ghara ịbụ ihe mere eme. Ọtụtụ oge, ọ na-ewetara onye o metụtara ahụ iju oyi nke ukwuu n'ihi na ya na echiche na-eme.

Ọ bụghị naanị iwetara onye o metụtara ahụ iju oyi ka ngaramara na-eme, ọ na-emekwa ka onye dị etu ahụ na-ata aka n'eze, mgbe ọ bụla o chetara ihe tinyere ya n'ọnọdụ ahụ. Ihe nke a na-egosi bụ na ọ bụrụ na ihe atụbaghị anya emeghị mmadụ, ọ gaghị enwe ihe ga-eme ka ọ nọrọ ọnọdụ ngaramara. Ọ bụ nsogbu na-eweta ụdị ọnọdụ a na ndụ mmadụ.

**Nchegharị:**

Nchegharị bụ mmetụtaobi nke na-abịa mgbe mmadụ mejọrọ mmadụ ibe ya, Chukwu ma ọ bụ onwe ya, ma nwee obi ichighari rịọ mgbaghara. A ga-asị na ọ bụ mmetụtaobi nke sitere n'ịkwụsị ihe wetaara mmadụ ngaramara nke si n'ihe wetara obi mwute.

Ọ na-esi na mkpebi nke onwe. Ọ bụ mgbe onye mere ihe adịghị mma nwere mkpebi nke aka ya na ya ga-akwụsị ime ihe dị etu ahụ. E nwere ike ọ bụrụ na ọ hụla ma ọ bụ chọpụta na uru adịghị n'ime ihe ahụ nke ọ na-eme ma kpebiere onwe ya na ya ga-agbanwe ndụ ya. Ọ bụrụ na uru dị n'ime ihe ọjọọ, nchegharị agaghị adị. Nke a mere ka a si na nchegharị bụ mmadụ isi n'ihe ọjọọ ọ na-eme pụta mgbe ọ chọpụtara na uru adịghị na ya.

E nwere ọtụtụ ndị odee zipụtara ụdị ihe a n'agụmagụ ha. Ha na-ezipụta ya n'ụdị ndịnịisiokwu. Na nke ha, ọ dị n'ụdị mgbaghara na nchegharị. Onye dị ka Nwana, (1933) zipụtara nke a n'agụmagụ ya ọ kpọrọ *Omenụkọ*. O ji isiagwa ya bụ Omenụkọ wee zipụta mkpa ọ dị na mmadụ mejọrọ, chegharịa n'ajọ omume ya ma rịọ mgbaghara.

**Ejije**

Ejije bụ nkenuụdị agụmagụ na-egosi nzipụta akparamaagwa dị iche iche a na-esi na ha amata omume kwesịrị nṅomi na nke ekwesighị.Ụzọchukwu (2007:65) sị na ejije bụ "okwummewe nke sitere na njije nke emereeme ndị mmadụ". Ihe nkọwa a gosiri bụ na ihe ọ bụla a kpọrọ ejije ma nke ọdịnala ma nke ugbua, ga-enwerịrị etu ndị so na ya, si ejije ma ọ bụ si eṅomi ndị e bu n'uche. O mekwara ka a mata na ọ bụ n'ọdịnaya na ọdịdị nke ejije ka e si egosipụta njirimara ejije nke bụ izipụta ihe nkuzi gbasara ụwa na inye obi ụtọ.

Nkọwa ya a, dabara na nke Mba, na ndị ọzọ (2013:6) nyere gbasara ejije. Ha sị na "ọ bụ emereme ma ọ bụ ngosi njirimara bụ emereeme, nke n'agbanyeghị na ọ na-akpa obi ọma, nwekwara ihe nkuzi n'ime ya". Nke a bụ ihe gosiri na ejije ọ bụla na-enwerịrị ihe a ga-ejide aka dị ka ihe mmụta ma ọ bụ ihe nkuzi dị n'ime ya. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ nkenuụdị agụmagụ nke na-adị n'ụdị mkparịta ụka, nke a na-egosipụta site na njije na emereme ma na ọ bụrụ na ọ dịghị ihe mmụta dị na ya, njirimara ejije dị na ya agaghị ezu oke.

**Ntulegharị Agụmagụ**:

Ọ dị ọtụtụ edereede ma ọ bụ nchọcha ndị e merela n'oge gara aga ndị yitere isiokwu nchọcha a ma ọ bụ gbasoo usoro nkenụụdị nchọcha a; iji maa atụ; Anọzie, Anọzie na Anọzie (2014) dere maka isiokwu; "Agwa ọjọọ, ntaramaahụhụ na mgbaghara". Ha ji iduuazị isii wee dee isiokwu a. Iduuazị ndị ha họọrọ gụnyere *Omenụkọ, Ọkpa Akụ Eri Eri, Isi Akwụ Dara n'ala, Ụkwụ Kpọrọ Izaga, Ihe Ọjọọ Gbaa Afọ* na *Ọja Dufuo Dike*. Ha ji iduuazị ndị a zipụta agwa kpatara agwa ọjọọ, ntaramaahụhụ agwa ndị ahụ nwetara site n'akparamaagwa ọjọọ ha na mkpa ọ dị na agbaghaara agwa ndị dị etu ahụ. Isiokwu edereede ha gbadoro ụkwụ n'igosi na ihe ọ bụla mmadụ dị ndụ mere onye ọzọ n'agbanyeghị ka o siri mee, na o kwesịrị ka mmadụ nwee mgbaghara ọ ga-egosipụta n'ebe onye mejọrọ ya nọ. Ha chọpụtara site n'iduuazị ha họọrọ na mmadụ dị ndụ na-adị na-akpa agwa ọjọọ ma ọ bụ emejọ mmadụ ibe ya. Ha chọpụtakwara na ọtụtụ mgbe na ihe na-esote agwa ọjọọ na-abụ ntaramaahụhụ. Ha tụrụ alo ka onye ọ bụla mụta ka e si agbaghara ndị ọzọ mgbe ha kpara agwa ọjọọ megide ha. Ọ bụ eziokwu na isiokwu edereede ha na isiokwu nchọcha a yitere n'ihi na ha abụọ bụcha nkenụụdi nchọcha nke ntule, ma zipụta ihe mmụta nke bụ otu n'ime njịrịmara agụmagụ mana nke izizi ji iduuazị mee nke a, ebe nke a ji ejije were zipụta nke ya.

Ọzọ, Ude (2006) gbasokwara usoro nchọcha nke nkọwa wee mee nchọcha ya. O ji *Ugomma na Ọchọ Ihe Ukwu* mee ya. Iji mee nke a, o lere anya n'odee iduuazị abụọ ndị a ọ họọrọ, ebe e bu n'uche wee dee ha, ndị e bu n'uche dee ha na mgbe e bipụtara ha. Ọ bịazịrị lebaa anya n'ihe dị n'ime *Ugomma* na n'ime *Ọchọ Ihe Ukwu,* nhazi ha na ihe na-esote ime enyi n'akwụkwọ ndị a tupu o mechie nchọcha ya. Ntule ya a o mere site n'iji iduuazị abụọ ndị ahụ, lebara anya n'agụmagụ ndị ahụ iji tụlee ha abụọ n'enweghị ihe dị iche ọ na-achọpụta n'ime ha nke abụghị nkamma na njirimara agụmagụ nka ndị ọzọ nke gụnyere isiokwu, ntọala, nsirihu, nhazi, oge e dere akwụkwọ na ebe e dere akwụkwọ. A bịa na nchọcha nke a, e ji ejije anọ ndị a họọrọ wee na-achọpụta etu ngaramara na nchegharị siri pụta na ha.

Ọnwụ, (2006) bụ onye ọzọ mere nchọcha iji nweta asambo MA n'agụmagụ e deere ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa ndị ọzọ. O dere edemede ya n'asụsụ Bekee. Isiokwu ya ma a tụgharịa ya n'asụsụ Igbo bụ; Isiokwu na Akanka n'iduuazị Igbo nke Ọfọmata dere. Nchọcha a bụ ọrụ agụmagụ Igbo. Iji lebaa anya n'isiokwu ya, odee tụlere akwụkwọ iduuazị isii ndị Ọfọmata dere. Ndị ọ tụlere gụnyere ndị a: *Ihe Onye Metere, Ihe Ọjọọ Gbaa Afọ, Dibịa Na-Agwọ Otoro, Ugonna* na *Anụ Gbaa Ajọ Ọsọ.*

Ka ọ tụlechara iduuazị ise ndị a, ọ chọpụtara na ụdị isiokwu Ọfọmata na-edekarị maka ha n'akwụkwọ ya ruru iri na itoolu n'ọnụọgụ. Isiokwu ndị ọ chọpụtara n'iduuazị ndị a gụnyere: Mmegbu Ụmụaka, Igba Mkpe, Ịhụnanya, Mgbaghara, Mkpụrụ Onye Kụrụ ka Ọ na-aghọrọ, Alụmdi, Ịrụkọ ọrụ ọnụ, Ọgbanje na Nkwenye na ndị Mmụọ, Iji Egbe Zuo Ohi, Mmegide na Mkpagide, Isi ike na Ashawọ. Ndị ọzọ gụnyere Njọ na Nchegharị, Ntachi /Ndidi, Ịdị Uchu n'ọrụ, Ọchịchị na Ofufe. N'aka nke ọzọ, ọ chọpụtara na e nwere ụdị akanka atọ kacha wee pụta ihe n'iduuazị ise ndị a ọ tụlere. Ha gụnyere; asụsụ dị ka akanka, agwa dị ka akanka na keesirihụ dị ka akanka. N'ikpeazụ, Ọnwụ chịkọrọ ihe o dere were sị na Ọfọmata sitere n'ụdị isiokwu na akanka ọ na-ezipụta n'iduuazị na-akụzịrị ụmụ mmadụ uru dị n'ibi ezigbo ndụ.

Nchọcha Ọnwụ nke a, yitere nchọcha nke a. O yitere ya n'ihi na ha abụọ gbasatara ntule agụmagụ Igbo. Ọzọ, ha abụọ wepụtara nchegharị dị ka ihe nkụzị nke a na-ahụ n'agụmagụ, mana ha abụọ dị iche n'ihi na ebe nchọcha nke Ọnwụ na-eleba anya n'isiokwu na akanka n'iduuazị, nke a na-eleba anya na ngaramara na nchegharị n'ejije.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ bụ usoro iwu ma ọ bụ edemede banyere ihe a na-eme nchọpụta maka ya. Atụtụ nchọcha a gbasoro bụ atụtụ nhụrụnanya nke a kpọrọ *Relativism Theory*. Ọ bụ nke Albert Einstein (1905) wepụtara iji wee kọwa ihe banyere eziokwu, ime ihe ziri ezi na amamihe, sitere n'ihe obodo kwekọrịtara ka ọ na-edu ha. Omenala ndị sokwa arụ ọrụ n'akparamaagwa mmadụ na-ezipụta. Nke a gosiri na ihe mmadụ hụtara dịka ihe ezighị ezi, bụ ihe obodo na-agbarụrụ ihe nke ga-eme onye ahụ inwe nchegharị.

Isiokwu nchọcha a nke bụ Ngaramara na Nchegharị dịka ndịniisiokwu, bụcha amamihe mmadụ nke na-apụta ihe mgbe ihe mere mmadụ na ndụ ya. E wezuga amamihe, mmadụ agaghị ama mgbe ọ hụtara onwe ya n'ọnọdụ ngaramara nke ọ ga-esi na ya chegharịa ma gbanwe ndụ ya. Ngaramara na nchegharị n'ejije *Chiadikobi, Onye Loro Mkpụrụ Ụdara,*

*Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* na *Nke m Ji Ka,* gosiri na ha bụ ihe dakwasara mmadụ site n'ihe ọ hụrụ n'ụwa nke ọ nọ n'ime ya ma were amamihe nke aka ya mara ihe ọ ga-eme gbasara ọnọdụ dị etu ahụ. Ọ dịghị onye na-ama na ihe ọ tụrụ anya abụghị ihe ọ ga-ahụ mana mgbe ihe dị etu ahụ mere, ngaramara abata ya. Ọ bụrụ nke onye ahụ wetaara onwe ya, nchegharị nke sitere n'amamihe abata, ka ndị mmadụ si n'ihe mere onye dị etu ahụ mụta ihe.

**Izipụta Ngaramara n'Ejije *Chiadikobi* nke Ọnwụneme na Asika dere**

Chịadị dị ka isiagwa n'akwụkwọ ejije a bụ nwata nwoke achọghị ịbara onwe ya uru, ma bụrụ mma ihu abụọ. Ọ nara nne ya bụ Egodi (nwaanyị ajadụ) ego ka ọ laghachị mahadụm, nne ya echee na ọ nọ na mahadụm agụ akwụkwọ ka o were bụrụ dọkịnta Bekee.

Ọ nọ na mahadụm na-eme mpụ dị iche iche dị ka, igbu mmadụ, ịṅụ mmanya na-aba n'anya, ịchụ ụmụ nwaanyị aghara aghara, ịnọ n'otu nzuzo nke ọ bụ onye isi na ya. Ọ bụghị naanị na ọ na-egbu mmadụ kama na a na-egobi ya na ndị otu ya dị ka ndị ogbuu. Nke a ka a hụrụ oge e gobiri ha ka ha gbuo otu eze obodo.

Chịadị: Gee ntị, ị ga-agwa ya na ọ bụrụ na anyị ga-egbu eze ọdịnịihu ọ bụla, ọ ga-eweta puku narị abụọ. E meghị etu ahụ, ya jiri aka ya gaa gbuo ya werekwa ọnọdụ ya …. (ihu 44)

Chịadị na ndị otu ya nọ na mahadụm nke ha anaghị aba klaasị. Ha na-echekwube iji ego gote maakị n'aka ndị nkuzi ha, mana Chịadị lọta ịnara nne ya ego, ọ kọọrọ ya etu o si buru ya na-agba onye nke mbu n'ule niile ha lere ma tụrụ ugo dị iche iche. Nne ya n'ihi obi aṅụrị na nwa ya na-eme nke ọma n'ụlọakwụkwọ na-enye ya ego ma na-emere ya ihe ọ bụla ọ chọrọ n'amaghị na ihe niile nwa ya na-agwa ya bụcha okwu asị. Ihe dị etu a ka o megidere ruo mgbe afọ ise gara na mahadụm ma o jịghị asambo ọ bụla wee lọta. Asị ọ sịịrị nne ya bụ na e nyebeghị ya asambo nke ya n'ihi obi ọjọọ otu onye nkụzi. O bighi na nke ahụ. Ọ lọtaziri n'ụlọ malitekwa mpụ ya n'isi. Ọ na-ezu ma ewu ma ọkụkọ ndị mmadụ, na-atụbụ ụmụ nwaanyị. N'otu oge ahụ ka ọ tụbara Adaugo ime site na ntụbụ.

Adaugo: Nne, ihere na-eme m ikwu na Chiadị dinara m n'ihi na
m ma ụmụagbọghọ ndị ọzọ o megoro otu ihe ahụ n'ime obodo
anyị a (ihu 79)

Iji gosi na Chiadị bụ efulefu, mgbe a jụrụ ya maka Adaugo ọ tụbara ime, nke a bụ ụsa ya;

Chiadị: N'ezie, nne, ama m ya. Mana ọ bụghị naanị m tụwara ya ime.
Ọ bụrụ etu ahụ si jụọ Dozie, jụọ Toochukwu, jụọ Ekene na
Chekwube. (ihu 79)

O nwebeghị ebe nne ya bụ Egodi akpọbeghị ya jee ka ọ mara ihe na-eme nwa ya n'ihi na o kwenyere na ihe na-eme nwa ya agbaghị aka mana ọ bụ naanị ịtụfụ ego na nkiti ka nne ya na-eme n'isi ya. Ihe ndị a na ihe ndị ọzọ bụ ihe ọjọọ dị iche iche ka Chiadị na-eme n'enweghị mgbanwe na ndụ ya. O megidere ya ruo ụbọchi ndị Nze na Ọzọ kwekọrịtara na nzụkọ ma kpebie na ọ ga-ahapụrụ ha obodo ha gaa obodo ọzọ gaa biri n'ihi arụrụ ala niile ọ na-arụ. Oge ahụ ka o doro Chiadị anya na iko ya ejula. N'otu oge ahụkwa ka ndị uwe ojii atọ batara kpọrọ ya n'ihi ihe o mekọnọrọ na mahadụm. Ndị uwe ojii kpọ otu onye otu ya na mahadụm bụ Obiọra, Obiọra achọtazie Chiadị.

Ihe niile Chiadị kwuru n'ime ụlọmkpọrọ gosiri na ọ dị ya ka si tụgharịara ya elekere ka ọ gbanwee ndụ ya nke ọma baara nne ya na onwe ya uru. Ọnọdụ ọ hụrụ onwe ya wutere ya nke bụteere ya ngaramara.

…a hụrụ Chiadị n'ime ụlọmkpọrọ. Ndị uwe ojii akụọla ya ihe tinka na-akụ panụ. Ihu ya dị ka nke ọzọdimgba. Anya ya niile abaala n'ime. Ọkpụkpụ onu ya nwere ike icheta mmiri ọṅụṅụ. O yi naanị otu mpechere nịka wee na-epiopụta isi n'oghere ụlọmkpọrọ ahụ. Anyammiri juru ya anya. (ihu 91)

Ngaramara ya bịara oge ọ nọ n'ụlọmkpọrọ. Ọ dị ya ka ihe niile na-eme n'oge ahụ buru ya na nrọ.

Chiadị: Ewo! Nne m zigara m na mahadum kacha mahadum. Nwaanyị ajadu dị ka ya; m were ruo gaa banye otu nzuzo. Ugbu a, lee ebe ụgbọ kwụsịzịrị m, n'ụlọmkpọrọ.

Ewoo! Ọ kwa ọ bụrụ na m weturu obi gụọ akwụkwọ, aka m abụ ezigbo dibịa Bekee ugbu a, dị ka Ifeanyi, Ikechukwu na Chidịebere bụ ugbu a. Ụmụaka m tọrọ atọ. Ọ kwa ọ bụrụ na m wetulatara anya ala soro ibem taa ya bụ ahụhụ, ugbu a kedu uru otu nzuzo baara m, ọ bụ ụlọmkpọrọ m nọ na ya ugbu a?

Ewo! Echetala m mgbe m banyere mahadum ọhụrụ. Ebukwanụ m n'obi ịgụ ezigbo akwụkwọ, kama ọ bụ ajọ otu dufuru m. (ihu 91-92)

Ngaramara nke Chiadị n'ime ejije a enweghị mmekwata n'ihi na o dubaala ya n'ime ụlọmkpọrọ nke mpụta ya dị Chukwu n'aka.

**Izipụta Nchegharị Dịna*Chịadịkaobi***

Ọ bụrụ na enye Chiadị ohere ịpụta n'ụlọmkpọrọ, ọ ga-abụ onye ndụ ya ga-agbanwe nke ọma n'ihi na nchegharị nke ya bara ya n'obi. Arịrịọ nke ọ rịọghị nne ya mgbe ọ nọghị na nga ka ọ na-arịọzị ya n'ụlọmkpọrọ.

Chiadị: Ewoo! Nne m, Egodịniru, nne m, ama m na ị ka dị ndụ! Ọ bụrụ na ị nwụrụ anwụ, ọ bụ m gburu gị. Biko, chọta nwa obere ohere n'obi gị gbaghara m. (ihu 91)

Ụdịrị okwu ndụmọdụ Chiadị duru ndị ntorobịa n'ejije a, gosiri na o chegharịrị n'eziokwu.

Biko, ụnụ ndị ka nọ na mahadum na ndị ka ga-aba ya aba, werenụ akụkọ m mụta ihe. …Biko, gịnwa nwere ohere ugbu a, wetuo anya ala gụwa akwụkwọ gị. Agwa ọjọọ niile ị na-akpa ugbu a ga-eme gị ka ị dị ka m echi. Gị bụ nwoke, zeere ịchụ nwaanyị, n'ihi na okoro e toghị eto wara ọgọdọ, ikuku bịa, o buru ya, o buru ọgọdọ ya…. (ihu 92-93)

**Izipụta Ngaramara n'Ejije *Onye Loro Mkpụrụ Ụdara* nke Ifeka dere**

Odee ji agwa Emetaa na Adanne were gosi na ngaramara bụ ihe na-abịara onye ma ọ bụ ndịachọghị ka mmadụ ibe ha kuru mmiri tọgbọ iko. Ihe Emetaa na-eme nwunye ya bụ Chiezugo tinyere nke Adanne (nwanne Emetaa) na-emekwa ya abụghị ihe ntị kwesiri ịnụ. Ha abụọ kpachara anya na-emekpa ya ahụ n'ihi na ọ ka bụ nwata. Emetaa kpọrọ nwunye ya bụ Chiezugo asị nke ukwuu.

Chiezugo: (…na-atasịsị anyammiri)

Di m ooh! Hum mmm!
Keduzi ụdị asị ị kpọrọ m nke a … (ihu 46)

Etu a ka Adanne sịrị kpọkwa ya asị;

Adanne: (n'ịkwa emo) Hum onye nke a na-ebechu ebechu.
Ihe ị ga-ebere akwa na-abịa n'ihu jikere n'ihi na ọ ghaghị ịbịa na mberede. Dị ka a sị na okwu gị anaghị ekwe okwukwu. (ihu 47)

N'agbanyeghị na Chiezugo mụtaara di ya ụmụ nwoke anọ na otu nwaanyị, o meghị ka ọ hụ nwunye ya n'anya kama ọ ka na-ahụta ya dị ka obere nwata nwaanyị nke ekwesighị inwe ọnụ okwu ma ọ bụ okwu nke aka ya n'ezinaụlọ ya.

Mmegbu Chiezugo gabigara n'aka di ya na Adanne, mere ka ọ mara na agwọ nọ n'akịrịka na ọ bụrụ na o bilighi baara onwe ya uru na agụụ ga-anara ya ụmụ ya. O wee gụbara onwe ya akwụkwọ, gụcha nweta ọrụ oyibo. Adanne natakawara ụgwọ ọrụ ajọ omume ya nke tinyere ya n'ọnọdụ ngaramara mgbe a chụpụrụ ya be di ya nke na ụmụ ya ajụghịdị ase ya ka ọ lara. Ụmụ ya enweghị nke bara uru. Adanne chọpụtara na ihe ọjọọ niile ọ na-eme Chiezugo anaghị eru ya n'ahụ o were dị ya ka ya bụrụ na ọ kpasoghị ya ụdị ajọ agwa ndị ahụ na mbu.

Adanne: …nke ka nke bụ na nne ha bụ Chiezugo nọzị n'ọzọ. Ha anaghị anụ ajụ ya ada n'ala. Onye ọ bụla na-achọ ya okwu, bụ nsogbu ka ọ chọọrọ…. Abụrụla m onyeiro ụmụ ya. (Bido bewe akwa) (ihu 72)

Ọnọdụ Emetaa huziri onwe ya mgbe nwunye ya na ụmụ ya leghaara ya anya bụ nke buteere ya ngaramara.

Emetaa: …nne nke kitaa bụzi na Chiezugo na ụmụ ya amaghị ebe m si nọrọ. Ụdị ndụ a abụghị ihe mmadụ ga-asị ka ọ bịara onyeiro ya ma ya fọdụzịa onye nọ n'ụlọ ya. (ihu 77)

Adanne n'otu aka ahụ gosikwara ọnọdụ ngaramara n'ihi omume na ihe ọjọọ dị iche iche o mere Chiezugo.

Adanne: …ọ bụrụ na a na-ama echi ama, ihe niile anyị na
Chiezugo jere n'ụlọ agaghị eru etu ọ dị… (bewe akwa na-atasịsị anyammiri).
M gaara mara gee nne anyị ntị oge ahụ (na-akwa akwa)…. (ihu 78)

Odee ji Emetaa na Adanne gosi ndị ngaramara jezuru ahụ mgbe ha hụrụ na onye ha na-emeso omume ọjọọ ewetaghị onwe ya ka ha gbuo.

**Izipụta Nchegharị n'Ejije *Onye Loro Mkpụrụ Ụdara***

A hụrụ nchegharị na ndụ Emetaa na Adanne n'ihi na ọ bụ onye mere ihe ọjọọ ma ọ bụ onye mejọrọ mmadụ na-enwe nchegharị. Ike imeso Chiezugo na ụmụ ya ihe ọjọọ gwụrụ Adanne na Emetaa, ha wee chegharịa ka ha mata ma ihe ọma Chiezugo na-enweta site na mbuli elu e buliri ya n'ụlọọrụ ya ọ ga-erute ha aka.

Adanne: (na nchegharị) Ọ bụrụ na mụ na gị were Chiezugo ije a nwayọọ, ahụhụ a anyị na-ata agaghị adakwasị anyị.
…nne m ooo! Nne m ooo! Bikonu bịa medaa nụ Chiezugo obi. (ihu 80-81)

Emetaa: …onye ọ bụla were ire ya gụọ eze ya ọnụ…. Onye emetaghị si kpofuo, kpofuo nke gara aga biko nu. (ihu 85)

Okwu nke a bụ okwu nchegharị nke Emetaa kwuru na mmemme ikele Chukwu nke nwunye ya kpọrọ iji kelee Chukwu na mbuli elu e buliri ya n'ọrụ Bekee.

**Izipụta Ngaramara n'E`jije *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* nke Obidiebube dere**

Ọ bụ onye ma ọ bụ ndị mere omume ma ha emetaghị na-anọ n'ọnọdụ ngaramara. N'ejije a, ọ bụ Idigo na Ọnụkwube nwunye ya hụtara onwe ha n'ụdị ọnọdụ a. Ha amaghị na imeso mmadụ omume dị aṅaa nwere mgbe ọ na-alaghachị bịa n'ụdị ụgwọ ọrụ.

Di na nwunye a ejighị anya ha ahụ Chiadị na nwunye ya bụ Nkechinyere, n'agbanyeghị na Chiadị na Idigo bụ ụmụnne. Chiadị na nwunye ya mụtara naanị ụmụ nwaanyị nke mere ka Idigo na nwunye ya na-ahụ ha dị ka ndị abaghị uru n'ihi amụtaghị nwa nwoke. Ọ bụ ebumnobi ha ka ha nwụọ ka ha nwee ike ịkpakọrọ ebe niile n'ihi na ha amụtaghị onye nnọchite anya ha ma ha nwụọ. Uche ha bụ  na n'ihi na ha mụrụ nwoke na nwaanyị na ha ka Chiadị na Nkechinyere mụtara naanị ụmụnwaanyị.

Ka ha na-eme ihe ndị a niile, ọ bụ naanị otu nwa ha nwoke aha ya bụ Eloka bụ onye akwadoghị ihe ọjọọ ndị a niile nne na nna ya na-eme ezinaụlọ Chiadị ha. Nke a mere ka ha kwahapụ ya, sị ya na ọ naghị eme ka onye ha mụrụ.

> Otu nwa Idigo akparamaagwa ya pụrụ iche bụ Eloka.
> Omume ọjọọ niile nne na nna ya na-emeso nwanne nna ya na-agbawa
> ya obi. Nke a na-ebutere ya na nne na nna ya nghọtahie. Ha kwooro
> maka ya kpọ ya asị. (ihu 94)

Idigo na nwunye ya ji ozuzu nwoke na ozuzu nwaanyị ha mụtara wee na-anya isi ruo mgbe ha hụrụ onwe ha n'ọnọdụ ngaramara nke bụ na ụmụ ha niile ndị ahụ (ma e wezuga Eloka) ha ji anya isi bụ ndị abaghịzị uru n'ikpe azụ. Ha wee nọrọ na mwute n'ihi na ihe ọjọọ niile ha mere Chiadị na nwunye ya nke mere na ha amaghị etu ha ga-esi gakwụrụ Chiadị na nwunye ya bụ ndị ụmụ ha ọkachasị Nwaanyibụihe na-eme nke ọma dị ka dibia Bekee.

Oge dị etu a bụ oge ha anaghịzị ahụ ihe ha na-eri nke bụ na ọ bụ naanị be Chiadị ka ha ga-arịọta nri ha ga na-eri. Ọnụkwube mechara tawa onwe ya ụta n'ihe ọjọọ niile o mere nwunye di ya.

> Nwunye di m, ọ ga-agbagharakwa m n'akaje niile m
> mere ya n'ihi amụtaghị nwa nwoke? (ihu 167)

N'ihu akwụkwọ nari iri isii na asaa, a hụrụ ọnọdụ ngaramara n'okwu ya ebe ọ si;

> A hụlanụ m na onye bu ụzọ ekperela azụ.

Okwu a pụtara na o chere na ya bu ụzọ n'ihi na ọ mụtara ma nwoke ma nwaanyị mana n'ihi na ọ zụghị ụmụ ya azụ, nwunye di ya zuru ụmụ nke ya azụ, abụrụla onye izizi n'ihi na ha ncha bara uru.

**Izipụta Nchegharị dị n'Ejije*Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu***

N'ejije a, Idigo na nwunye ya bụ Ọnụkwube chegharịrị site n'ịkwụsị akaje niile ha na-eme Chiadị na nwunye ya bụ Nkechinyere.  Ha mere ya n'ihi na ha chọpụtara na uru adịghị n'omume ọjọọ wee mata na e nweghị ihe ọzọ ha ga-eme karịa ichegharị ma si n'ime akaje pụta. Ọ bụrụ na ha emeghị etu ahụ, ihe ọma si be Chiadị agaghị eru ha aka. Ha gakwara rịọ nwa ha nwoke bụ Eloka maka mgbahapụ ha gbahapụrụ ya.

Ọnụkwube na
Idigo    Eloo nwa anyị biko nụ, gbaghara mmehie anyị, mmetọ

na akaje niile anyị mere gị, nke ka nke, anyị gbahapuru
gị dị ka ohu naanị maka na ị na-eso ụzọ eziokwu. (ihu 166)

N'otu aka ahụ, a hụkwara ebe ha chegharịrị ma rịọ Chiadị na Nkechinyere mgbaghara.

Idigo: (Sekpuru ala n'ihu Chiadị na nwunye ya) Nwanna a, biko kwe ka ihe niile bere n'abalị bụrụ anwụnta. Oriakụ m, biko gbagharanụ m n'ụzọ ọ bụla m siri mejọọ ụnụ.

Ọnụkwube: (Daa n'ala na-arịọ sị) Nna m ukwu Chiadị, biko gbaghara m. Nkechi nwuye di m, biko gbaghara m n'akaje niile m mere gị n'ihi amụtaghị nwa nwoke…. (ihu 167)

**Izipụta Ngaramara n'Ejije *Nke M Ji Ka* nke Nwaozuzu dere**

N'ejije a, onye nọ ọnọdụ ma ọ bụ onye ngaramara gara n'isi ya bụ Eze Onyekwere. Eze Onyekwere bụ Eze obodo a na-akpọ Ụmueleme. Oge nwoke a na-achị ndị obodo ya ka ndị ụka Fada batara obodo ya. Tupu ọ lụọ nwaanyị nke abụọ, ya na nwunye ya nke izizi bụ Ugochi biri ọtụtụ afọ ma naanị ụmụ nwaanyị ka ọ mụtaara ya, nke mere ka ọ lụọ nwaanyị nke abụọ aha ya bụ Achalụ ka o nwe ike ịmụtara ya nwa nwoke.

Nwunye ya nke izizi akwadoghị ekpemekpe ọdịnaala nke mere ka o tinye isi n'ụka Fada soro ha na-eme ekpemekpe nke ha. Ihe dị etu a, buteere ya na di ya nsogbu dị iche iche n'ihi na di ya na-ebuso ndị ụka agha n'ụzọ dị iche iche. N'uche Eze, nwunye ya mara ya aka n'ihu nke mere ka o bidozie aka na ya, tinyere amụtaghịrị ya nwa nwoke, wee lụkpo ya nwaanyị ọzọ. Mmeso ọjọọ na ihe ọ na-eti nwunye ya izizi n'ihi na ọ na-aga ụka fada, abụghị ihe e ji ọnụ ekwu. Ọ bụ nke ọ kụrụ ya otu ụbọchi mgbe ọ dị ime mere ka ọ gbaga na be Ụkọchukwu Daniel ka o biri ebe ahụ maka ụjọ ichigha be di ya ọzọ. Nke a ka a hụrụ mgbe Ụkọchukwu na Ezereibe  na-akasi ya obi ka ọ laa be di ya n'ihi na ọ dịịrị ya ime, mana ha kwere ya nkwa na ha ga-ezitere ya ndị uwe ojii ga-edula ya ma menye di ya egwu ka ọ ghara imetu ya aka ọzọ.

Ụkọ: Biko gwa nwaanyị a ya ebezina akwa. Ihe niile ga-adị mma.

Ibe: Ụkọchukwu si mụ gwa gị ebezina akwa na ọ ga-adịcha mma.

Ibe: Nna anyị ụkọchukwu sị mụ gwa gị na ebe gị dịịrị di gị ime na ya enweghị ike ịsị gị bịrị ebe a dị ka ị sị achọ. Ọ sị kama na ihe ya ga-eme bụ ime ka nwa Diishi mara ka ọ kpọnye ya ndị uwe ojii nwere ike iduru gị dulaa n'ụlọ di gị. (ihu 31)

Ugochi ekweghị ya kwucha ihe ụkọchukwu gwara ya wee zaghachi ya sị;

Ugo: Biko nna anyị, ọ ga-egbu m ma m laa. Ọ bụrụ na a kpọruo m ụlọ, mụ na ndị uwe ojii ọ ga-ebi? Eze ga-egbupụ m isi ma ha lawa. (Ọ ka na-ebe akwa) (ihu 31)

N'uche Eze Onyekwere, ime ahụ nwunye ya dị bụ ụdị ime ọ dị nke o ji amụtakwa nwa nwaanyị dị ka ọ na-amụ na mbu, nke a mere ka ọ na-eleta nwunye ya nke abụọ n'ihi na ọ bụ onye ga-amụtara ya nwa nwoke ọ tụrụ anya ya.

Eze: …ihe ọ sọrọ ya, ya buru, ihe ọ ga-amụ, ọ bụghị ihe ọ ga-amụ? …(ihu 47)

Mmegbu Eze Onyekwere na-emegbu nwunye ya a na-akawanye njọ n'agbanyeghị na ọ dị ime. Ịhụnanya ya bụ nke ọ na-egosi nwunye ya nke abụọ dị ime. Arịrịọ niile nwa odibo ya na otu n'ime ụmụ ya ndị nwaanyị ya rịọrọ ya ka ọ gaa kpọga nwunye ya izizi n'ụlọọgwụ mgbe ime na-eme ya amịtaghị mkpụrụ.

Eche: …agafere m n'azụ ụlọ, hụ nne m ukwu ka o dina n'ala nkịtị na- atụ gbirigbiri. Amaghị m ihe na-eme ya.

Eze: Olee nne gị ukwu nke ọ-ọ?

Eche: Nne m ukwu Ugochi

Eze: Ọfọ nna ha ejidela ya.

Eche: Nna anyị biko jee mara ihe na-eme ya

Eze: Taa! Nwata a, ọnụ ree gị. Ozu, ọ kwa agwala m gị na m ejighị nwunye ọzọ ma e wepu Achalụ. Amaghị m maka onye ahụ ị na-ekwu maka ya, ada ya jee gwa pastọ Daniel ma ọ bụ Ezereibe.(Ihu 58)

N'otu oge ahụ ka Ada ya nwaanyị bụ Agbọ tibatara ịbịa kpọ nna ya n'ihi ihe na-eme nne ya, mana nna ya emeghị ka ọ bụ ya ka a na-agwa.

Agbọ: (Na-eku ume ọsọọsọ) Nna m bịa , biko bịa! (o sekpuru ala n'ihu Eze). Nna m, biko amaghị m ihe na-eme nne m. (Eze atụpụghị ọnụ. Agbọọma agbarakwa ọsọ gbaba n'ụlọ gbapụtakwa, bewe akwa). Nna m, biko nne m na-anwụ anwụ, biko bịanụ. (ihu 59)

Ugochi mechara mụọ ụmụ ejima; nwoke abụọ mana dị ka omenaala gbasara ịmụ ejima n'obodo, e kuuru ụmụ ejima abụọ ahụ dọba ha n'otu akụkụ ajọ ọhịa, kpọrọ ahịhịa kpokwasa ha. Nke a mere n'ihu akwụkwọ iri isii na ise ruo n'iri isii na asaa. Ka nke a mechara, Ada Ugochi na Ezeribe batara n'ime ajọ ọhịa ahụ kuru ụmụ ejima ahụ pụọ n'emeghị ka mmadụ hụ ha ma ọ bụ mara ihe ha mere.

Nwunye Eze nke abụọ mechara mụọ nwa nwaanyị. Ọ bụghị ihe Eze tụrụ n'ahịa ka Achalụ zụtaara ya.

Na be Eze, Achalụ amụọla nwa. Eze nọ n'oche, Achalụ guzoro n'akụkụ ya na-ebe akwa. (ihu 75)

Eze: …akpọtara m gị ka ị bịa mụọrọ m nwa nwoke, I mee gịnị?

Na-aza m (gbarụọ ihu ya)

Achalụ: Nna anyị, o nweghịkwanụ mgbe m ji buru n'obi na m gaje amụ nwa nwaanyị n'ime ahụ m dịịrị. (ihu 75)

Eze mechara nọrọ n'ọnọdụ ngaramara nke wutere ya n'ihi nwaanyị nke abụọ a ọ lụrụ. Ọnọdụ dị etu a bụ nke Eze sị na ọ bụrụ na ya ma na Achalụ agaghị amụrụ ya nwa nwoke, na ya agaghị alu ya na mbu n'ihi na o nweghị ihe dị iche mgbe ọ luru nwaanyị nke abụọ na mgbe ya na nke izizi nọ.

**Izipụta Nchegharị n'EjijeNke M Ji ka**

Nchegharị dị ka a hụrụ na ndụ Eze Onyekwere pụtara ihe n'ime akwụkwọ ejije a site n'oge o ziri ụmụ okorobịa obodo ya ka ha gaa suo ụlọ ụka ọkụ maka na ndị ụka kuuru ụmụ ejima ahụ ha tunyere n'ajọ ọhịa ma kpọrọkwa nwunye ya na ụmụ ya na ndị ọzọ. Ihe dị etu a o mere buteere ya ịga mkpọrọ nke ọ nọrọ afọ ise. N'ime ụlọ mkpọrọ ka ọ nọ nwee nchegharị ma kwusi ibuso ndị ụka agha ma rịọ nwunye ya mgbaghara n'ihi omume ọjọọ niile o mesoro ya ma kpọrọkwa ụmụ ejima ya n'obi ọcha n'ihi na ọ nabatago Kraist na ndụ ya. N'eziokwu, nchegharị ya a, wetaara ndị obodo ya mgbagwoju anya. Eze Onyekwere chegharịrị ma rịọkwa Chineke mgbaghara n'ihi ihe o megasịrị.

> Eze: Chineke kere ụwa, e-etu a ka ịhụnanya na ebere gị si adị?
> Biko gbaghara ekweghị ekwe m. (ihu 95)

A hụrụ etu Eze si nabata nwunye ya na ụmụ ya ndị o megburu n'oge gara aga mgbe ha batara, n'ihi na o chegharịala.

…(Onye gara ozi eduru Ugochi, ụmụ ya ndị nwaanyị anọ na ụmụ ejima –Pita na Pọl bata. Ụzụ atụọ. Eze ebilie jee makọọ nwunye ya na ụmụ ya. Ọ nọdụ ala kuru ụmụ ejima ya abụọ, otu n'aka nri, otu n'aka ekpe).

Ihe ndị a dị ka a hụrụ n'ejije a, na-egosi na ihe na-ebute nchegharị bụ ngaramara.

**Ihe NdịA Chọpụtara**

Nchọcha a mere ka a chọpụta nandịodee agụmagụ na-ejikarị ọnọdụ mmadụ nọ n'ụwa na-ahụkarị onwe ya na ya, were na-edepụta ihe mebere ndịniisiokwu ederede ha.A chọpụtakwara na odee ndị a họọrọ zipụtara nchegharị ka ihe na-apụta ihe mgbe mmadụ nọ n'ọnọdụ ngaramara. Ọzọ, ụfọdụ ngaramara na-eweta nchegharị na ndụ mmadụdị ka a hụrụ ha na ndụ agwa ụfọdụ dịn'ejije ndị a họọrọ. Ihe nke a na-egosi bụ na mmadụ anaghị anọkata chegharịa ma ọ bụrụ na e nweghị ihe o mere ma ọ bụ ihe mere ma ọ bụ ihe mere ya nke ọ dị ya ka ya bụrụ na ihe ahụ emeghị eme.

A chọpụtakwara na n'ezie dị ka otu n'ime njirịmara ejije na ọ na-enwerịrị ihe ọ na-akuzi dị ka Ụzọchukwu (2007) si gosipụta na "ejije na-ezipụta ihe nkuzi gbasara ụwa…." Nke a kọwara onwe ya n'ihi na ejije ndị a họọrọ kuziri na nchegharị na-abụ okwu ikpeazụ mgbe mmadụ tinyere onwe ya n'ọnọdụ ngaramara. Ọzọ bụ na nchegharị na-abịa mgbe ihe ngaramara mere mmadụ.

**Aro**

A ga-esi n'ihe mere n'ime akwụkwọ ejije ndị a họọrọ tụọ aro nke ga-abara ụmụ mmadụ uru. Nke mbụ bụ na a na-atụ aro ka mmadụ wezuga ihe ọ bụla ga-ewetara ya ịhụta onwe ya n'ọnọdụ ngaramara n'ihi na ọ na-ebutere mmadụ ịta onwe ya ụta.

Ọzọ bụ ka mmadụ ghara iji ihere loo ụkwara. Nchegharị n'ihe ma ọ bụ n'omume ọjọọ na-eweta udo nke ime mmụọ n'ihi na oge ụfọdụ, ọ na-eweta ịdị n'otu. A na-atụkwa aro na ebe

ọ bụ na akwụkwọ ejije ndị a họọrọ nwere ihe gbara ọkpụrụkpụ nke ha kuziri, ka ndị ọgụụ chọpụtakwa ihe mmụta ndị ọzọ dị n'ejije ndị ọzọ, ma were ya mee ihe ga-abara ha uru.

## Mmechi

Ejije anọ ndị a, a họọrọ gbalịrị iji ụfọdụ agwa na akparamaagwa dị na ha gosi na ọtụtụ oge, ngaramara na-eweta nchegharị. A naghị enwe nchegharị ma ọ bụrụ na e nweghị ihe mmadụ mere nke ọ dị ya ka si tụgharịa elekere ka o megharịa ihe o mere na mbụ. Ọ bụ ihe dị etu a ka a na-akpọ 'ngaramara'.

Ụwa jụpụtara n'ọtụtụ mmadụ ndị na-ebikọ ndụ ọnụ, na-emekọ ọtụtụ ihe ọnụ, nke mere ka ụwa bụrụ aka nrị kwọọ aka ekpe, aka ekpe akwọọ aka nrị, mana ọtụtụ oge, ọ bụghị ihe akị ilu na-ada na ntị ka ọ na-atọ n'ọnụ nke mere ka a mata na nsogbu jụpụtara n'elu ụwa a bụ nke mmadụ na-ebute, nke na-ewetara onye ma ọ bụ ndị dị etu ahụ ọnọdụ ngaramara na inwe nchegharị oge ụfọdụ. N'ihi nke a, anyị ga-agba mbọ oge niile izere nsogbu ndị a ka anyị wee gbanahụ ịkwa ngaramara n'ikpeazụ.

## Edensibịa

Anọzie, R.O, Anọzie, C.I na Anọzie, C.C. (2014). *Agwa Ọjọọ, Ntaramaahụhụ na Mgbaghara N'Iduuazị Isii*. Enugwu: Computer Edge

Echeruo, M.J.C. (2001). *Igbo-English Dictionary*. Legọs: Longman

Ejiọfọ, P. (2016). *Obibi Ndụ Ndị Igbo.* Ọka: Valid Publishers

Ifeka, Ọ. (2016). *Onye Loro Mkpụrụ Udara*. Ọnịcha: Perfect Image Publishers

Mbah, B.M., Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O., Nweze, I.M., Ugwuona, C.N., Akaeze, C.M., Onu, J.O., Eze, E.A., Prezi, G.O., na Odii, B.C. (2013). *Igbo Adị*. Enugwu: University of Nigeria Press

Nwana, P. (1933). *Omenụkọ*. London: Longman

Nwaozuzu, G.I. (2005). *Nke M Ji Ka*. Enugwu: CIDJAP

Obidiebube, J.I. (2015). *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu*. Nkpọr: Galaxy Prints

Ọnwụ, A.J. (2006). Isiokwu na Akanka n'Iduuazị Igbo nke Ọfọmata. Projekti nke MA, o deere Mahadum Naijirịa dị na Nsụkka

Ọnwụneme, D.G.C na Asika, I. (2013). *Chiadịkaobi*. Ọnịcha: First Class Publishers

Ude, J.U. (2006). Ntụle Ugomma na Ọchọ Ihe Ukwu. Projekti, o dere na Federal College of Education, Eha-Amufu, nke e bipụtabeghị ebipụta

Umo, U.C na Ezema, O.T. (2007). *Mkpanaka Akwụkwọ Ọmụmụ Nchọcha n'Asụsụ na Omenaala Igbo*. Enugwu: Ifedimma Communications

Ụzọchukwu, S. (2007). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo*. Legọs: Sam Orient Publishers